# Ihe Ndị Iwu Chọrọ N'aka Ụlọ ọrụ Ndị dị na Ontario

Ghọta ọrụ ndị diịrị gị dịka onye nwé azụmahịa, na ihe ndị ruuru nakwa oke n'ọrụ diịrị ndị na-ewe mmadụ n'ọrụ nakwa ndị e were n'ọrụ na Ontario.

## Iwu na ụkpụrụ maka azụmahịa niile

### *Ihe Iwu Chọrọ maka Ọnodụ Ọrụ n'Ụlọ ọrụ*

Mụta ìwúọrụ banyere ụgwọ a na-akwụ ma ọ dịkarịa ala, awa ole aga-arụ ọrụ, ịkwụsi ịrụ ọrụ, oge ezumike ọrụ e chekwara na ihe ndị ọzọ.

### *Iwu na-ahụ maka Ahụike nakwa Ọdịmma nke ndị Ewere n'Ọrụ*

Mụta oke n'ọrụ n'ihe ndị ruuru onye ọ bụla nwere n'ebe ụlọọrụ, na ètú e si a kpachara anya maka ihe ndị dị ize ndụ n'ebe ọrụ.

### Ụtụísí na Urugasị

Gbaa mbọ hụ na ị na-erubeisi n'ihe ìwú chọrọ maka ụtụísí ma mụta maka ọnụego ana-ewepụ na ụtụísí eji ndị Ontario maka azụmahịa na Ụtụísí Ahụike nke onye were n'Ọrụ (ụtụísí a na-ewere n'ụgwọ ọnwa nke ndị were gị n'ọrụ ga-akwụ).

### Ukpuru nduzi na Ntụziaka maka inye ndị nwere Nkwarụ Ohere ha Nhata

E mebere iwu na ukpuru iji mee ka onye ọbụla nọ na Ontario nweta ohere ha nhata Mụta banyere ihe ndị a chọrọ maka ịnweta ohere ha nhata na ukpuru maka azụmahịa gị nakwa ètú ị ga-esi ede akwụkwọ nkweko na ụkpụrụ nnweta ohere nhata nha.

## Ìwú na ụkpụrụ na-emetụta ụfọdụ azụmahịa

### Ozi inyere ndị azụmahịa aka irube isi na iwu nchekwa ndị na-azụ ahịa

Mụta ètú ị ga-esi na-erubeisi na ìwú nchekwa ndị na-azụ ahịa ma zere mkpesa ndị na-azụ ahịa.

### Ìwú maka nri na arụmọrụugbo

Ndi na-ahụ maka nkọpụta nri nakwa orire nri ga-eruberiri isi na iwu na-ahụ na nri dị mma na oriri nakwa iwu nke arụmọrụugbo. Ebe ndị a na-egbu anụ ọ bụla ga-etinyeriri akwụkwọ nnata ikike ma soro ìwú na ihe ndị ìwú chọrọ kpọmkwem gbasatara usoro nhazi anụ.

### Iwu na-echebe gburugburu ebe obibi na-ahụike mmadụ

Mụta banyere ụdị iwu nchekwa gburugburu ebe obibi dị iche iche nke gị maọbụ azụmahịa gị ga-achọ na ètú ị ga-esi etinye akwụkwọ maka nke ọbụla.

### Maka ọdịmma ụmụ anụmanụ

Azụmahịa ndị nwere ụmụ anụmanụ na gburugburu azụmahịa ha ga-eruberiri isi na ìwú *Iwu na-achịkwa Ọdịmma Ụmụ anụmanụ*.

### Ụgbọala e ji agbata ego

Mụta otú ị ga-esi enweta akwụkwọ ikike ị ga-eji na-anya ụgbọala ndị e ji akpata ego, dị ka gwongworo ma ọ bụ bọs.

### Ntụziaka maka Iwu Ulọ na Ontario

Mụtakwuo banyere ụkpụrụ nduzi maka nchekwa na Ogo ọdịmma nke owuwu ụlọ na Ontario kà azụmahịa gị nwee ike kwekọọ n'ihe ìwú achọrọ maka ihe owuwu na Ontario.

### Azụmahịa n'Ebe Ugwu

Ị na-arụ ọrụ n'Ebe Ugwu? Lelee ma ị ruru eru maka inweta ọrụ enyemaka nkwado azụmahịa nke dịnụ, ihe nrite ego na mgbazinye ego.

**Mụtakwuo**

maka ihe ndị a ìwú chọrọ na **Ontario.ca/business**

Ontario